# ỤBỌCHỊ NKE MKPUCHI-MMEHIE AHỤ
## Levitikọs 16:1-34; 23:26-32
### IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 86 - Nke NdỊ-okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ bu kwa n'ọchichọ a ka edoworo ayi nsọ site n'iche aru Jisus Kraist n'iru Chineke dika àjà nání otù mgbe" (Ndi Hibru 10:10).**

**I Mkpọsa nke Chineke Banyere Ụbọchị nke Mkpuchi-mmehie ahụ**

1. Chineke edowo ya na a ga-enwe oge nke onye ọ bụla inyocha onweya na oge nke ịchụàjà, nke a ga-eme n'etiti ememe nke óké ọñụ ahụ nke ịfụ opi ike na nke ụlọikwuu, n'ọnwa nke asaa, Levitikọs 23:1, 2, 4, 26, 27; Ọnu-ọgugu 29:7-11; Ndi Hibru 10:1-4
2. Ọ dịghị ọlụ ọ bụla nke a ga-alụ n'akụkụ ọ bụla nke ụbọchị ahụ, Levitikọs 23:28-32

**II Ihe Niile nke Ga-eme n'Ụbọchị Ahụ**

1. Iru Chineke nke dị nime Ebe Nsọ ahụ nke Kachasị Ebe Nsọ Niile ga-eme ka ọ ghara ịdịrị onye ọ bụla mfé ịgafe ákwà mgbochi ahụ ma ewezuga Onyeisi nchụàjà ahụ, n'Ụbọchị nke Mkpuchi-mmehie, Levitikọs 16:1, 2; Ndi Hibru 8:3
2. Onyeisi nchụàjà ahụ na-abánye n'Ebe Nsọ ahụ Kachasị Ebe Nsọ Niile mgbe o weresịịrị mmiri sachaa onweya, wee yikwasị kwa uwe mgbokwasị ya nke ezi ákwà ọcha, ná-eji kwa ọbara nke àjà mmehie, ihe ịgụ ọkụ nke icheku ná-ere ọkụ dị n'elu ya, na ihe nsure ọkụ ná-esi ísìụtọ nke aga esure n'iru Jehova, Levitikọs 16:3, 4, 11-15; Ezikiel 44:17, 18; Ndi Hibru 9:6-14
3. Ọ dịghị onye ọ bụla ga-anọ n'Ụlọikwuu ahụ n'oge ịchụàjà nke mkpuchi-mmehie ahụ ma ọ bụghị náánị Onyeisi nchụàjà ahụ, Levitikọs 16:17
4. A na-efé nzà n'elu ewu abụọ ahụ, bụ́ nke a na-eweta dịka àjà mmehie n'ihi ndị ahụ, iji kpebie nke ga-adịrị Jehova na nke ga-abụ ewu ọpụpụ ahụ, Levitikọs 16:5, 7-10
5. Eron na-egbu anụ ịchụàjà mmehie ahụ maka ya onweya na èzínaụlọ ya, ná-ewere ọbara ya bànye n'Ebe Nsọ Kachasị Ebe nsọ Niile ma ná-efe kwa ya n'iru na n'elu Ocheeze àmàrà ahụ, bụ́ nke ejiri igwèoji nke ihe nsure ọkụ na-esi ísìụtọ kpuchie , Levitikọs 16:6, 11, 14; 17:11; Ndi Hibru 7:27, 28
6. Ewu ahụ ewetara maka ịchụàjà mmehie nke ndị ahụ, bụ́ nke ejiri ifè nzà kpebie nke ga-adịrị Jehova ka egbukwara were ọbara ya fesa n'Ebe Nsọ ahụ Kachasị Ebe nsọ Niile, Levitikọs 16:15
7. A na-ekpuchi mmehie n'ihi Ụlọikwuu ahụ n'ozuzu ókè ya, Levitikọs 16:16; Ọpupu 30:10
8. A na-efesa ọbara nke àjà mmehie abụọ ahụ n'elu ebe ịchụàjà nke ọlà, nke a na-eji ekpuchi adịghị ocha nke ndị ahụ nke dị n'ebe ahụ, Levitikọs 16:18, 19
9. A na-achụpụ ewu ọpụpụ ahụ baa n'ọzara mgbe ekwupụtachara ihe ọjọọ niile, ajọomume na mmehie niile nke ndị ahụ n'isi ya, nke na-egosipụta ụdị nke Kraist Onye gaje iburu mmehie anyị niile n'arụ Ya Onweya, Levitikọs 16:20-22; Aisaia 53:6, 12; 1 Pita 2:24; 1 Jọn 3:4, 5; Jeremaia 31:34
10. Eron na-asakwa onweya arụ ọzọ ma chụọ kwa àjà nsure ọkụ n'ihi ya onweya na ndị ahụ, Levitikọs 16:23, 24; Ezikiel 44:19
11. Anụarụ niile nke anụ ndị ahụ egburu maka àjà mmehie ka a na-ewepụta na mbara ezí, ma mee kwa ememe ndịọzọ nke dị na ya, dịka ntụziaka niile nke Chineke si dị, Levitikọs 16:25-28; 6:30; 10:17, 18

**III Ụkpụrụ Ahụ Na-eguzosi Ike**

1. Mkpuchi-mmehie bụ ihe kpatara eji edo ụbọchị ahụ nsọ, bụ́ nke aga ná-eme ruo ọgbọ ha niile, Levitikọs 16:29-31
2. Ndị nchụàjà niile ndị ga-anọchị Eron ga-ejé ozi ha dịka Eron si jee, Levitikọs 16:32-34; Ndi Hibru 5:1-4

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

### Alaeze nke Ndị nchụàjà

Site na mgbe ekwere Abraham mkwà na mba dị ukwuu gaje isite n'agbụrụ ya pụta, ọ bụ nzube nke Chineke na mba ahụ ga-abụrụ Ya ihe dị óké ọnụahịa nke pụkwara iche. Mgbe ndị ahụ guzoro n'iru Ugwu Sainai Chineke gwara ha okwu site n'aka Moses na ọ bụrụ na ha ga-erube isi n'iwu Ya niile ma gee kwa ntị n'olu Ya na Ya ga-eme ha alaeze nke ndị nchụàjà na mba dị nsọ (Ọpupu 19:5, 6). Ọ bụ ezie na ndị Israel laghachiri azụ site n'ụzọ ahụ nke Chineke tụụrụ ha àtụ̀màtụ̀ Ya wee ghara isozu Chineke dịka o kwesịrị ma otú ọdị nzube na àtụ̀màtụ̀ nke Chineke nye ha ka na-eguzo kwa. Nime Agba Ọhụụ enyere anyị eziokwu nke ná-adịru ebighị ebi na "ncheghari adigh n'onyinye amara nile na ọkpukpọ nke Chineke" (Ndi Rom 11:29); na n'ihi ụkpụrụ a nke dị nsọ Chineke na-aga kwa n'iru imeso ndị Israel nkeọma ọbụná mgbe ha dapụsịrị na Sainai.

Chineke doro otù usoro nke esi achụ àjà ahụ dị nsọ bụ́ nke na-atụ aka maka ọbịbịa nke ezi àjà ahụ, bụ́ Jisọs Kraist, iji nyere ndị Israel aka maka ịbịarute Ya nso. Ọtụtụ ememe ya dị iche iche na-atụ aka ná nwụsi ọbara nke Onye ahụ na-emeghị iheọjọọ n'ihi onye-mmehie nke ikpé mara; ha niile bụ onyinyo, ma ọ bụ ụdị nke Onye ahụ ọ na-adịghị iheọjọọ o mere, bụ́ Onye gaje ịbịa otù ụbọchị ịnwụ ọnwụ ka ndị mmehie niile wee bụrụ ndị ga-enwere onweha pụọ n'amamikpé nke mmehie ha, ka ewee mezuo ikpé ahụ dị nsọ otú o kwesịrị.

Ụkpụrụ nke ịchụàjà tinyere àjà nsureọkụ nke ụtụtụ na nke anyasị, àjà ikpé ọmụma, àjà mmehie, àjà udo, àjà ekele na àjà anụ dị iche iche nke ụdị ọ bụla. Àjà ọ bụla nwere ọnọdụ nke ya n'àtụ̀màtụ̀ nke Chineke dịka akụziri ya nye ndị ahụ site n'aka Moses na ndị nọ n'okpuru ya ndị arọpụtara ka ha lụọ ọlụ ahụ. Ma, tinye kwa na nke ahụ, a na-eme ememe dị iche iche pụrụ iche ma ọ bụ ememe ọzọ n'arọ nke ná-arụtụ kwa aka ná nrọpụta dị iche iche nke ọnwụ mkpuchi mmehie ahụ nke Kraist na urù dị iche iche nke anyị na-anata n'aka Chineke site ná Mkpuchi-mmehie ahụ. Anyị amụworị ihe banyere Ngabiga ahụ na mgbe ná-adịghị anya anyị na-amalite ịmụ ihe banyere ememe nke Pentikọst na ememe nke ụlọikwuu na àjà niile nke a na-achụ n'oge ndị ahụ niile. Oge ọzọ nke óké ọ̄ñụ bụ Ememe nke ọtụtụ Opi ike nke na-ewere ọnọdụ n'ụbọchị mbụ nke arọ ha. Nke a bụ kwa ụbọchị mbụ nke ọnwa nke asaa nke arọ okpukpé ahụ nke malitere n'ọnwa mbụ ahụ mgbe eriri oriri Ngabiga.

**Ụbọchị Ukwu nke Mkpuchi-mmehie ahụ**

N'etiti ememe óké ọ̄ñụ abụọ ndị ahụ, n'ụbọchị nke iri n'ọnwa nke asaa ahụ, otù nime ụbọchị nke arọ okpukpé nke ndị Ju niile ka a na-eme ememe ya. Nke a ka a na-akpọ Ụbọchị Mkpuchi-mmehie. Ọ bụ ụbọchị dị óké mkpà nye obodo ahụ, oge dị nsọ, ụbọchị arọpụtaworo iche dịka ihe ncheta nke Mkpuchi-mmehie zuru ókè nke gaje ịbịa. Chineke nyere ịdọ aka-ná-ntị siri ike nke kwụsịrị ụdị ọlụ ọ bụla n'ụbọchị ahụ wee kpọọ obodo ahụ niile ikpé ekpere na inyocha onweha, ka óké àtụ̀màtụ̀ nke mgbapụta Ya wee rute ha site n'ike dị ukwuu na nghọta dị omimi.

N'ụbọchị a nghọta banyere mkpuchi-mmehie nke Agba Ochie na-apụta ìhè nkeọma site n'ọtụtụ ememe ejikọtara ọnụ. Ọ na-enye nnọchita anya nke ka mma nke Mkpuchi-mmehie ahụ sitere na Kraist nke zuru ókè karịa otú apụrụ ịchọta n'àjà dị iche iche ọzọ niile, ọ bụ ezie na àjà niile nke ụbọchị ahụ na-adị dịka n'otù ụdị n'ile ha anya nke urù niile ha na-eweta dịịrị mba ahụ niile n'ọra karịa otú ọ dịrị otù onye.

Ihe a na-akuziri anyị eziokwu dị ukwuu nke mgbasa Oziọma na Jisọs "nwuru n'ihi madu **nile**" – "nyere onwe-Ya ka Ọ buru ihe mgbaputa n'ihi madu **nile"** -- detụ ọnwụ ire n'ihi **madụ nile** –ma bụrụ "ihe ijuru Chineke obi" banyere mmehie niile nke "**uwa dum."** Ọ na-agọnarị mkwagide ọ bụla na mkpuchi-mmehie ahụ bụ nke mmadụ ole na ole Chineke rọpụtaworo ichè maka irita urù ya.

Enwererị ọtụtụ àjà dị iche iche a na-achụ n'ụbọchị ahụ (Ọnu-ọgugu 29:8), ma Chineke akwagideghị ndịa ka ha gosi na Kraist ga-ahụ́ ahụhụ karịa otù ugbò, ma ọ bụ na enwere ịchụàjà ọzọ ma ewezuga nke Ya. Ebumn'uche ha bụ na náánị otù àjà nke Ya nọchiri anya àjà niile ọzọ nke mmehie na adịghị ọcha n'ụdị ọ bụla. "Ọbara Jisus, bú Ọkpara-Ya nāsachapu kwa ayi nmehie nile" (1 Jọn 1:7). (Gụọ Ndi Hibru 9:24-28; 10:1-14).

**Ihe Mkpuchi-mmehie nke Kraist Nyere Ha**

Onye ọ bụla nke mehiere megide iwu Chineke na-enweta mgbaghara mgbe ọ bụla o jiri obi ya niile bịa ná nchègharị na okwukwe, ná-eweta onyinye nke àjà mmehie nke a ga-egbu igosi, dịka ụdị, eziokwu ahụ na otù Onye ahụ Onye ná-emeghị ihe ọjọọ ga anwụ ọnwụ n'ihi mmehie ya otù ụbọchị. Onye ahụ ná-arịọ arịrịọ mgbe asachara obi ya wetara onyinye zuru òkè nke àjà mmehie mgbe ọ chọrọ onyinye amara nke odudonsọ -- nke anyị maara na enyere ya ndị mgbe Ochie dịka enyekwara anyị. Onyinye ndịọzọ ka ndị mmadụ na-eweta n'otù n'otù maka inye ekele na otuto, ma ọ bụ mgbe a na-eji obi chụbiga àjà ókè. Ihe ndịa niile bụ àjà nke onweonye ma ná-atụ kwa aka ọbịbịa nke Kraist bụrụ kwa ihe dị mkpà n'ihi na ha bụ otù akụkụ nime àtụ̀màtụ̀ nke Chineke.

Ma n'Ụbọchị Mkpuchi-mmehie ahụ echetakwaara ha ọzọ na Kraist ga-abịa otù ụbọchị nwụchitara ha ọnwụ ka O wee bupụ mmehie ha niile, ma sachapụ kwa ha n'adịghị ọcha ha niile, wee mezuo ụdị ịchụàjà ahụ niile. Ọ bụ ihe ncheta nye ha, na ichetara ha ịhụn'anya nke Chineke na ngọzi nke O meworo ka ọ dị ire site n'Àjà ukwu Ọ chụrụ nke bụ Jisọs Kraist. Ha na-elepụ anya n'iru maka Àjà ukwu a, dịka anyị na-eleghachi anya anyị na Kalvarị taa.

**Ihe Ọ Pụtaara Anyị**

Olileanya anyị niile dabeere n'ebe Mkpuchi mmehie ukwu ahụ dị. Ihe ọ bụla nke anyị naara site n'aka Chineke nime ndụ̀ a, nke-ka-nke site n'oge ahụ amụrụ anyị ọzọ anyị ewee ghọọ ụmụ Chineke ka emere ka ọ dị irè site n'ụgwọ ahụ akwụrụ na Kalvarị. Mkpà nke ime mmụọ anyị ka egboro nkeọma, a na-agwọ arụ anyị niile, mee ka anyị dị ike, mee kwa ka anyị dị ọhụụ; a na-atụte mmụọ anyị n'oge ọnwụnwa na n'oge ule; ọtụtụ mkpà anyị nke ihe ná-adị nwa oge ka egboro site n'ọbara ahụ dị óké ọnụahịa. Ọ bụ kwa ihe ná-enye nkasịobi mgbe a na-atụle otú Chineke si nye onyinye ukwu a nke ịhụn'anya na amara Ya ka ndịkom na ndịnyom nke ikwu niile na mba niile wee nwee ohere ịbata n'okpuru ndò nke mmetụta Ya. Ka ewee nyere ndị ahụ biri ndụ̀ ha n'oge gara aga aka tupu Mkpụrụ nke mkwà ahụ abịa ịnwụ ọnwụ dịka Àjà ahụ zuru ókè n'ihi mmehie, okpukpé nke ụlọikwuu,

tinyekwara àjà dị iche iche nke achụrụ siterị ná mmalite nke akụkọ ụwa, abụrụworị onyinyo na ihe nọchitara anya ọbịbịa nke Mkpuchi-mmehie ahụ nke agaje ime. Ụzọ niile nke Chineke Pụrụ ime ihe niile dị Ebube!

**"Eze nke ndụm, nar'okpu-eze**
**Otuto dịrị Gị ;**
**Kam'gha'ichezọ okpu ogwu Ị**
**Durum je Kalvarị .**
**"Ka m'nēcheta Getsemani;**
**Ghar'ichezọ ir'uju Gị ;**
**Cheta ịhụ-n'anya Gị nyem**
**Durum je Kalvarị "**

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. N'ihi gịnị ka Chineke ji tụpụta ụbọchị Mkpuchi-mmehie nye Israel?
2. Eziokwu dị añaa ka ọ na-akụziri anyị?
3. Ònye na-eme ememe ịchụàjà nke ụbọchị ahụ, òlee ebe kwa ka a na-anọ eme ya?
4. N'ihi gịnị ka o ji kwesị ka otù onye náání jee ozi ya?
5. Gịnị ka ndị Israel na-eme n'ụbọchị ahụ?
6. Ọ bụrụ na onye ọ bụla n'Israel ejezughị ozi ya ntaramahụhụ gịnị ka a ga-enye ya?
7. Kọwaa ụdị àjà mmehie dị iche iche nke a na-achụ n'ụbọchị ahụ, kwuo kwa ihe a na-ezube na ihe nke ọ bụla nime ha bụ ụdị ya?
8. Ugbò òle ka a na-echeta ụbọchị Mkpuchi-mmehie ahụ?
9. Ọ bụ ụbọchị dị nrò, bụrụ kwa nke ọtụtụ ụbọchị nke ọñụ na oriri na-ebutere ya ụzọ. Ma weta kwa ya ná njedebe. Ihe mmụta dị añaa ka anyị nwere ike inweta site n'ọnọdụ ya n'etiti ụbọchị ọñụ na óké oriri ndịa niile?
10. Ònye bụ Onyeisi nchụàjà anyị ugbu a, gịnị mere anyị adịghị enwe ụbọchị Mkpuchi-mmehie kwa mgbe kwa mgbe dịka ndị Israel mere?